# MKPỌGIDE N'OBE NKE JISỌS

## Matiu 27:27-56

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 64 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ayi nile kpafuru akpafu dika igwè-aturu: ayi chere iru, onye ọ bula n'uzọ nke aka-ya: ma JEHOVA emewo ka ajọ omume nke ayi nile dakwasi ya" (Aisaia 53:6).**

**I Emere Kraist Iheihere**

1. Ndị nọ n'isi ọchịchị yibere Jisọs uwe, iji mee Ya iheọchị, Matiu 27:27, 28; Luk 23:11; Jọn 19:1, 2
2. Ha wee kpube Ya okpueze iji kwaa Ya emò, Matiu 27:29; Luk 22:63
3. Jisọs hụrụ óké ahụhụ site n'ihe ọjọọ ha mere Ya, Matiu 27:30, 31; Aisaia 53:3-5; 50:6; Ndi Hibru 2:10
4. N'ihi na ike gwụsịrị Kraist, nke a mere ka ọ dị mkpà ka ha mànye Saimon, onye Sairini ka o buru obe Ya, Matiu 27:32; Luk 23:26; Mak 15:21
5. E kuru Ya jee n'ebe ha ga akpọgide Ya n'obe, Matiu 27:33, 34; Jọn 19:17

**II Jisọs n'elu Obe**

1. Achịrị uwe Ya niile dịka Akwụkwọnsọ si kwue, Matiu 27:35, 36; Abù Ọma 22:18; Jọn 19:23, 24
2. Pailat mere ka edee aha n'elu obe Jisọs, Matiu 27:37, 38; Mak 15:26; Luk 23:38; Jọn 19:19
3. Ụmụmmadụ kwuluru Ọkpara Chineke, Matiu 27:39-44; Mak 15:29-32; Aisaia 53:12
4. Ọchịchịrị nke náabụghị dịka òkìkè ụwa nke a si dị gbara, Jisọs wee kwueokwu site n'elu obe, Matiu 27:45-49; Abù Ọma 69:21; Mak 15:33-36
5. O kwuru okwu Ya niile nke ikpèazụ̀, wee nwụọ, Matiu 27:50; Mak 15:37; Luk 23:46; Jọn 19:30

**III Ihe Ịtụn'anya Dị Icheiche Mere N'Ọnwụ Kraist**

6. Ákwà mgbochi nke Ụlọnsọ Chineke gbawara abụọ, Matiu 27: 53; Mak 15:38
7. Ala mara jijiji, Matiu 27:51
8. Ílì nke ọtụtụ ndịnsọ meghere, Matiu 27:52, 53
9. Ọchịagha náachị otù narị ndịagha kwupụtara okwu ịrịbaàmà, Matiu 27:54; Mak 15:39; Luk 23:47, 48
10. Ndịnyom ahụ nwere nsọpụrụ sogidere Jisọs, Matiu 27:55; 56; Mak 15:40, 41; Luk 23:49

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Mkpuchimmehie ahụ**

Akụziri òzízí nke Mkpuchimmehie mee kwa ka o guzosieike nime Akwụkwọnsọ. N'Aisaia 53:5-7; Matiu 20:28; Jọn 1:29; I Jọn 1:7; 2:2; na ọtụtụ ebe ọgụgụ nime Akwụkwọnsọ, ihe banyere ịnọchị ọnọdụ na mkpuchimmehie, ka egosịrị nkeọma n'ụzọ niile dịka ọnụ mmadụ pụrụ ịkọwa ya. N'ezie, ọ bụ eziokwu na mkpọgide akpọgidere Ọkpara Chineke n'elu Obe nke Kalvarị abụghị ihe ọ bụla ọzọ ma ọ bụghị náání ịnwụọnwụ n'ihi mmehie mmadụ niile ekèrèèkè; ma ịnwụchi ọnwụ a na ikpuchimmehie a naabara mmadụ urù náání mgbe etinyere ya ezi nchègharị na isi ná mmehie niile ọ bụla chịgharịa nchigharị zuruòkè. Ọkpara Chineke hụrụ ahụhụ, ọ bụghị ka anyị nọgide nime mmehie, kama ọ bụ ka anyị wee dị ndụ mmehie náadịghị (Ndi Rom 6:1, 2, 6). Anabatara mkpà mnwụchi ọnwụ a n'ihi mmehie dị (Ezikiel 18:4; Ndi Rom 5:12), ewezuga kwa ya, ọnwụ nke imemmụọ bụ ihe náaghaghị ịdị. "Kraist nwuru n'ihi nmehie ayi nile, dika ihe edeworo n'akwukwọ nsọ si di" (I Ndi Kọrint 15:3).

**Mmeso Ihere Emesooro Kraist**

Ndị mmadụ ji obi ọjọọ niile kwáá Jisọs emò, lelia kwa Ya, mee kwa Ya iheọchị tupu ha akpọgide Ya n'obe, ma Ọ hụrụ ahụhụ, buru kwa ha niile n'ihi anyị. Ya na Nna kwekọtara na Ọ gaabụ ihe akaebe na ihe gaanọchi ọnọdụ onye ikpé mara -- ịnwụọnwụ, onye eziomume n'ihi ndị ajọomume. N'ihi ịhụ ahụhụ ọnwụ ka eji mụọ Ya site na nwanyị (Ndi Galetia 4:4). "we ghọ anu-aru bú madu, Ọ we biri n'etiti ayi" (Jọn 1:14), ma ọbụná mgbe Ọ nọ náewere ụdị anyị dịka mmadụ O mere ka anyị nwee ọ bụghị náání ọkwụkwụ ụgwọ nke mmehie anyị kama o mekwara ka anyị nwee odudo nsọ na ọgwụgwọ nke ọrịa anyị.

**Jisọs n'elu Obe**

N'etiti mmegide karịrị uche mmadụ na ihe ọjọọ niile anaapụghị iji ọnụ kwue, Ọ nọgidere n'ịchọ ndị furuefu rue mgbe O kokwasịrị n'elu obe. "Ma ọ tọrọ JEHOVA utọ izọpia ya" wee mee "nkpuru-obi ya àjà-ikpè-ọmuma" maọbụ: "nkpuru obi-ya aja achuru n'ihi nmehie" (Aisaia 53:10). Ọnwụ Kraist nwụrụ mezuru ikpé ziriezi nke Chineke, ka Chineke "we buru onye-ezi-omume, buru kwa onye nāgu onye ahu n'onye ezi-omume, bú onye nọ n'okwukwe ekwere na Jisus" (Ndi Rom 3:26). N'ihi na mmehie anyị kwesịrị ịnata ọnwụ na mbibi ebighịebi, ma site n'ọnwụ Kraist nwụrụ, anaagụ anyị ná ndị eziomume. Na I Jọn 2: 2; 4:10, na Ndi Rom 3: 25, anyị naahụ́ kwa ihengosi ọzọ na ọnwụ Jisọs nwụrụ bụ ọnwụ ịnwụchịtere anyị ọnwụ. Okwu Grik edere n'ebe ọgụgụ abụọ nke mbụ ahụ bụ **"hilasmos**," na nke ikpèazụ̀ bụ "**hilasterion**." Nkọwa okwu nke ikpèazụ̀ a bụ **ocheebere.** Okwu abụọ ndịa sitere ná mkpụrụ okwu "**hilaskomai"** nke pụtara "**ime ka obi jụrụ," "ime ka adị n'udo,"** maọbụ **"iwezuga iwe**

**onye ahụ emejọrọ."** Ebe ọgụgụ niile nke náatụ Kraist aka dịka onye náeme ka obi jụrụ Chineke naekwu banyere ahụhụ Ya niile na ọnwụ Ya dịka ụzọ Chineke pụrụ iji meere onye mmehie ebere maọbụ nwee iruọma n'arụ ya. Ya mere, "ọ buru kwa na nwusi ọbara adigh ngbaghara nmehie adigh" (Ndi Hibru 9:22). Ọ dịghị mkpà ka Ọkpara Chineke bịaghachi otù ugbò n'arọ̀ dịka onye isinchụàjà, onye naeji ọbara nke ndịọzọ náaba n'ebe nsọ ahụ (Ndi Hibru 9:25), kama, "echere Kraist n'iru Chineke nání otù mgbe iburu nmehie nile nke ọtutu madu," ma, "Ọ bara n'elu-igwe onwe-ya, igosi Onwe-ya n'iru Chineke n'ihi ayi ugbu a" (Ndi Hibru 9:24).

Ọ dị mnwapụta zuruòkè nke ọgwụgwọ ọrịa nime Mkpuchimmehie ahụ. N'Ọnụ-ọgụgụ 21:8, 9, anyị naagụta na Chineke nyere Moses ndụmọdụ ime agwọ yiri ọkụ, ka o bulie ya elu, ka ndị Israel ahụ nke nọ n'ọrịa wee lee ya anya ka ewee gwọọ ha. Ndịa nọ n'ọnụ ọnwụ; ma ndị niile ahụ nke náeleghị agwọ ahụ anya nwụrụ. Ihe a nke mere bụ ụdị nzọpụta na ụdị ọgwụgwọ Chineke naagwọ dịka esi doo ya nye anyị nime Mkpuchimmehie ahụ dị n'ọnwụ ahụ Kraist nwụrụ "Ma dika Moses weliri agwọ n'ọhia, ọbuná otú a aghagh iweli Nwa nke madu elu" (Jọn 3:14).

Eweliri ya elu n'ihi nzọpụta anyị odudonsọ anyị, na ọgwụgwọ ọrịa anyị. Mgbe anyị lekwasịrị Kraist anya bụ́ Onye ahụ nke buru mmehie niile n'elu obe, anyị naanata ọgwugwọ ọrịa anyị site n'ọnwụ ahụ Ọ nwụrụ iji kpuchie mmehie anyị. "Onye eji ọnya-utari-ya me ka unu nwe ezi ndu" (I Pita 2:24), pụtara na Jisọs hụrụ óké ahụhu dị njọ site n'ụtarị apịara Ya, nke mere ka ọbara site n'azụ̀ Ya dị nsọ náeruda; ọ bụ kwa ọbara ahụ awụsịrị naeweta ọgwụgwọ ọrịa ahụ. Mgbe anyị chọrọ inyeaka, anyị pụrụ iji okwukwe legharịa anya na Kalvarị, Chineke gaagwọ kwa ọrịa niile dị n'arụ anyị.

Ná Ndi Hibru 13:12. anyị naagụ, "N'ihi nka Jisus, ka Ọ we site n'ọbara nke Ya onwe-ya do ndi nke Ya nsọ, Ọ hu-kwa-ra ahuhu n'àzú ọnu-uzọ-ama nke obodo." Ọtụtụ mmadụ naeche na ịgụ mmadụ n'onye eziomume bụ̀ náání ihe Onyenweanyị zụtaara anyị na Kalvarị. Otú ọ dị, O mezuru nzọpụta zuruòkè ju kwa eju. Nzọpụta zuruezu náejikọta ihe niile ahụ nke anyị naanata site na mgbe ahụ Chineke mara anyị ikpé nime obi wee kpọgaara anyị Kraist tupu rue mgbe ahụ agaewelikọ anyị ijé zute Ya n'igweoji. Odudonsọ bụ ihe dị mkpà nye mkpụrụobi, n'ezie "nka bu ihe Chineke nāchọ" (I Ndi Tesalọnaika 4:3). Ndụ edoronsọ maọbụ ndụ dị nsọ bụ̀ ihe anyị náaghaghị inweta, ma ọ bụghị otú a, anyị apụghị inwe olileanya na anyị na Onyenweanyị gaanọkọ. Ndi Hibru 12:14 naagwa anyị na ewezuga odudonsọ a anyị agaghị ahụ́ Onyenweanyị anya, ma ọ fọdụ kwa anyị na Ya ịnọkọ ebighịebi. Nke ahụ bụ nzọpụta jurueju azụtara n'Obe Kalvarị: ịgụ mmadụ n'onye eziomume site n'okwukwe; odudonsọ, ọlụ amara nke abụọ; na ọgwụgwọ ọrịa nye arụ anyị nke náadịghị ike.

### Ihe ebube Dị Icheiche Mere N'ọnwụ Kraist

Chineke nyere iheàmà ọzọ banyere ịbụ Chi nke Jisọs, n'ọnwụ nke Onyenweanyị. Akwamgbochi nke Ụlọnsọ Chineke gbawara site n'elu rue n'ala, nke náegosi na emeghewo ụzọ esi abá n'ebe nsọ site n'Ọbara nke Jisọs (Ndi Hibru 10:19, 20). Ọtụtụ ílì ndịnsọ meghere. Ọbụná onye ọchịagha náachị otù narị ndịagha ihe ndịa mere ka ọ gbaa àmà ihe ịrịbáàmà, "N'ezie Nwoke a bu Ọkpara Chineke."

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Hà yibere Kraist uwe uhie iji sọpụrụ Ya?
2. Ònye nyeere Jisọs aka n'ibu obe ahụ?
3. Gịnị ka edekwasịrị n'elu obe Jisọs mgbe ahụ O koro n'obe?
4. Ọbụná n'ihe mgbu Ya, gịnị bụ omume ndị Ju mesoro Ya?
5. Gịnị ka ndị Ju zara Pailat mgbe ọ chọrọ ịrapụ Jisọs?
6. Kwue ihe ebube dị icheiche mere n'ọnwụ Ọkpara Chineke.
7. Gịnị ka ọchịagha ahụ náachị otù narị ndịagha kwuru?
8. Gịnị ka ọnwụ Jisọs nwụrụ n'elu obe pụtara n'ebe gị onwe gị nọ?